# ỌCHỊCHỊ NKE PUKU ARỌ NA IKPÉ IKPEAZỤ AHỤ

**Nkpughe 20:1-15.**

**IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 465 - Nke NdỊ-okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ndi JEHOVA agbaputara agbaputa gālata kwa, were iti-mkpu-ọñu bata nime Zaiọn; ọñu ebigh-ebi gādi kwa n'isi-ha: obi-utọ na ọñu ka ha gābiarute, iru-újú na ize-ume ewe gbalaga" (Aisaia 35:10).**

**I  Oge Puku Arọ ahụ**

1. Ékèrè Setan agbụ otù puku arọ, Nkpughe 20:1-3.
2. Oche-eze na íkíké ka enyere ndị nsọ, Nkpughe 20:4; Abù Ọma 149:6-9; Daniel 7:22; Matiu 19:28; Luk 19:17; 1 Ndị Kọrint 6:2; Nkpughe 1:6; 2:26, 27; 3:21; 5:10.
3. Ndị nsọ nke Óké Mkpagbu ahụ bụ́ ndị egburu n'ihi okwukwe ha ka emere ka ha si n'ọnwụ bilie ịdị ndụ na isoro Kraist ná-achị eze, Nkpughe 20:4, 5; 6:9-11.
4. Ọnọdụ ahụ dị ebube nke ndị ahụ tozuru òkè maka Mbilite n'ọnwụ nke Mbụ ahụ ka enyeworo site n'amara, Nkpughe 20:6; 1 Ndị Kọrint 15:22, 23; Ndị Filipai 3:10, 11; 1 Ndị Tesalọnaika 4:16; Ndị Hibru 11:35.

**II  Ikpé Ikpeazụ ahụ**

1. Atọpụrụ Setan o wee ná-eduhie mba dị iche iche ibu agha, emeriri ya ma tụba kwa ya nime ọdọ ọkụ ahụ, Nkpughe 20: 7-10.
2. Óké Oche-eze dị Ọcha na onye ikpé ahụ nke á na-apụghị ịkọwa ụdị Ya pụtara ìhè, Nkpughe 20:11.
3. Ndị niile ọzọ nwụrụ anwụ ka ewetara n'ikpé, Nkpughe 20:12, 13; Ndị-Hibru 9:27; 2 Pita 2:9; 3:7.
4. Onye ọ bụla nke á na-ahụghị aha ya n'Akwụkwọ nke Ndụ ahụ ka atụbara nime ọdọ ọkụ ahụ, Nkpughe 20:14, 15; 21:8; Aisaia 5:14; Mak 9:44; 2 Pita 2:3.

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

**Emeriri Ekwensu ahụ**

N'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ nke gara aga anyị mụrụ ihe banyere mmeri emeriri ndị agha ahụ bịara imegide Onyenweanyị Jisọs na ndị nsọ Ya. Anyị hụrụ na anụọhịa ahụ na onye amụma ụgha ahụ ka adọtara n'agha wee tụba ha nime ọdọ ọkụ ahụ. Ike ọjọọ ahụ nke kwagidere anụọhịa ahụ na onye amụma ụgha ahụ bụ Setan onweya. Ya mere ihe ọ̀mụ̀mụ̀ anyị n'ụbọchị taa na-emeghe site n'ikpé ahụ ekpere onye ọjọọ a nke nwere dịka onye isi nke ike mbara eluigwe, ịchị isi n'ebe mmadụ ahụ nke á na-amụghị ọhụụ nọ kemgbe ọdịda ahụ nime Ogige Iden.

Ọ dị ike karịrị ike nke ekwensu, ọtụtụ oge nke ana apụghị kwa ịgụta ọnụ ka emeworo ka nzube niile nke ekwensu bụrụ ihe efu site n'amara nzọpụta nke Jisọs Kraist mgbe mkpụrụobi bịara na Kalvarị site n'okwukwe. Jisọs sịrị, "Ewerewo ike nile di n'elu-igwe na n'elu uwa nyem"; Setan anaghị kwa achị isi ọzọ n'obi ahụ nke emeworo ka ọdị ọcha site n'Ọbara Jisọs.

Site n'ike nke Onye ahụ Pụrụ ime ihe niile, otù mmụọ ozi na-esi n'Eluigwe rịdata wee merie Setan kpam kpam, ná-atụba ya nime olùlù abyss ahụ. Ebe a bụ ebe dị iche site n'ọdọ ọkụ ahụ bụ́ ebe atụbara anụọhịa ahụ na onye amụma ụgha ahụ. Ná-agbaghị agụgọ nke a bụ n'ihi na agaje ịtọpụ ekwensu mgbe otù puku arọ ahụ gasịrị, ọ dịghị kwa ebe ọ bụla nime Baịbụl nke anyị hụrụ na onye ọ bụla pụtara site n'ọdọ ọkụ ahụ. Anyị gụrụ n'isi nke 9 nke Nkpughe na emeghere olùlù abyss ahụ ka ewee tọpụ igurube ndị ahụ nke enyere ike dịka akpị imekpa mmadụ arụ ruo ọnwa ise. Ugbu a anapụwo ekwensu ike ya wee tụọ ya mkpọrọ n'ebe a nke óké ahụhụ ruo otù puku arọ.

**Ọchịchị nke Puku Arọ**

Mgbanwe dị ukwu ga-ewere ọnọdụ n'elu ụwa n'oge a. Ndị nsọ ga-achị dịka ndị eze na ndị nchụàjà, na-eje ozi n'okpuru Eze ndị eze na Onyenwenụ kachsị ndị nwenu niile. N'ozi ahụ nke ezigaara Nzukọ Kraist ahụ dị na Taitaira Jisọs sịrị, "Onye nēmeri emeri na onye nēdebe ọlum nile rue ọgwụgwụ ihe nile, ya ka M'gēnye kwa ike ichi mba nile: ọ gēwere kwa nkpa-n'aka igwe zùa ha dika aturu" (Nkpughe 2:26, 27). Ọbụbụ ọnụ ahụ nke atụkwasịrị ụwa site ná mmehie nke nne na nna anyị ochie hà bụ ihe aga ebupụ, ọzara ga-agbawa okooko

ọhịa dịka rose, anụọhịa niile ahụ ná-ebibi ebibi agaghị kwa emerụ ibe ha ma ọ bụ ụmụ mmadụ arụ, ihe ahụ nke ná-eweta nrịa nrịa ka á ga-ebupụ kwa, ma eziomume ga-achị site n'ọnụ mmiri ruo n'ọnụ mmiri.

Mbilite n'ọnwụ ahụ ka ekere ụzọ abụọ -- otù ka amaara dịka Mbilite n'ọnwụ nke Mbụ nke ọzọ kwa dịka nke abụọ ma ọ bụ mbilite n'ọnwụ nke ikpeazụ ahụ. Onyenweanyị Jisọs kwuru na á ga-enwe mbilite n'ọnwụ nke ndụ na kwa mbilite n'ọnwụ nke ikpé ọmụma (Jọn 5:29).

**Mbilite n'ọnwụ nke Mbụ ahụ**

Mbilite n'ọnwụ nke Mbụ ahụ bụ n'ezie otù mbilite n'ọnwụ nke ná-ewere ọnọdụ n'ọtụtụ usoro dị iche iche, eji kwa ya tụnyere mkpokọbata nke owuwe ihe ubi. Kraist bụrị onye mbụ nke siworo n'ílì pụta n'arụ ebube, Pọl kwukwara ihe banyere Ya dịka mkpụrụ mbụ (1 Ndi Kọrint 15:23).

Ná-agbaghị agụgọ, óké ìgwè mmadụ ahụ ndị sitere n'owuwe ihe ubi ahụ, bụ ihe egosipụtara n'isi nke 4 na nke 5 nke Nkpughe ebe Jọn hụrụ ụzọ emeghere nime Eluigwe ma lee óké ìgwè mmadụ nke onye ọ bụla ná-apụghị ịgụta ọnụ ndị ná-abụ abụ na agbapụtara ha site n'ebo niile, na asụsụ niile na ndị niile na mba niile. Nke a zaghachiri nkọwa niile nke Pọl banyere mbilite n'ọnwụ nke ndị nwụrụ nime Kraist na mwelikọ nke ndị nsọ ahụ nọ ná ndụ nke ekwuru ihe banyere ya ná 1 Ndị Tesaslọnaika 4:16, 17:

> **"N'ihi na onye-nwe-ayi onwe-ya gēwere oké ikpọ òkù, were olu isi-mọ-ozi, were kwa opi nke Chineke, si n'elu-igwe ridata: ndi nwuru nime Kraist gēbu kwa ụzọ si n'ọnwu bilie:**
> **"Mgbe ahụ ayi onwe-ayi, bu ndi nọ ná ndu, ndi anarapu, ayi na ha ka agēwelikọ n'igwe-oji, izute Onye-nwe-ayi nime mbara elu-igwe: otú a ka ayi na Onye-nwe-ayi gānọ kwa mgbe nile."**

Ugbu a kwa n'ebe a nime ihe ọ̀mụ̀mụ̀ nke isi 20 nke Akwụkwọ Nkpughe anyị na-ahụ́ kwa ọgbakọ ọzọ -- ọgbakọ ikpeazụ nke Mbilite-n'ọnwụ nke Mbụ ahụ. Nke a bụ ọgbakọ nke ndị ahụ ebipụrụ isi n'ihi àmà nke Kraist na n'ihi Okwu Chineke, bụ́ ndị ná-akpọghị isiala nye anụọhịa ahụ ma ọbụ ihe oyiyi ya, ndị ná-anaraghị kwa ákàrà ya n'egedege iru ha ma ọ bụ n'aka ha. Otù ọgbakọ a ka eburu ụzọ kwuo okwu banyere ya na Nkpughe 6:9-11. Ndị a esoghị na Mwelikọ nke ndị nsọ ahụ, ná-agbaghị agụgọ, n'ihi na ha anọghị n'òtù ndị ahụ ná-emeri emeri n'òzùzù òkè bụ ndị yikwasịworo ihe agha niile nke Chineke. Ha esoghị na Nri Anyasị nke Ọlụlụ nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ dị ebube, ma kama nke ahụ amanyere ha ịnagide óké mkpagbu ahụ dị egwu ruo ọnwụ ha.

**Mkwatu Ikpeazụ nke Akwaturu Setan**

N'amaokwu nke 3 nke ebe ọgụgụ anyị, anyị na-ahụ́ na aghaghị ịtọpụ Setan nwa oge mgbe oge mkpọrọ ya nke otù puku arọ gasịrị. Mmadụ niile ndị nọ n'elu ụwa, tinyerekwara ndị ahụ amụrụ n'oge otù Puku arọ ahụ, ka bụ kwa ndị nwere onweha ịrọrọ ihe ọma ma ọ bụ ihe ọjọọ, á ga-enye kwa ha ohere ịrọrọ ifè Onyenweanyị òfùfè ma ọ bụ iwere Setan dịka nna ha ukwu. Ụzọ nke Setan ga-esi nwee ike ghọgbuo ọtụtụ mmadụ bụ ihe á na-agwaghị anyị; ma n'irubere ya isi ha pụtara n'ụsụ "dika ájá nke oké osimiri," wee baa n'Ala Nsọ ahụ nọchigide Obodo ahụ ahụrụ n'anya gburugburu. Nke a na-egosipụta na obi nke mmadụ ahụ nke á na-amụghị ọhụụ bụ ihe dị "aghụghọ kari ihe nile, ihe nādigh ngwọta ka ọ bụ kwa." Náánị ma emere obi ahụ ka ọ dị ọcha site n'Ọbara nke Jisọs, ọ bụ ezie na ọnọdụ nke ihe niile n'ụwa nwere ike yie paradais nime oge puku arọ ahụ, nke a agaghị ezu ime ka afọ ju onye mmehie.

Ebumn'uche pụtara ìhè bụ ka anapụ ọchịchị ahụ n'aka Onyenweanyị na ndị nsọ Ya ma ọ bịaruru n'ọgwụgwụ dịka otù njèm ịbanye nime óké ihe egwù n'ihi na ọ dịghị nnupụ isi megide Eze ahụ nke pụrụ ịga nkeọma. Otù ahịrị okwu dị mkpirisi kọrọ akụkọ ahụ: "Ọku we si n'elu-igwe ridata ripia ha." Ejidere Setan, ma n'oge a atụbaghị ya nime olùlù abyss ahụ kama atụbara ya nime ọdọ ọkụ ahụ na brimstone ebe anụọhịa ahụ na onye amụma ụgha ahụ nọ kwa.

Mgbe Onye nzọpụta ahụ nọ n'ụwa, Ya na ndị ná-eso ụzọ Ya kparịtara ụka banyere "ọku ebigh-ebi ahu nke edoziworo nye ekwensu na ndị mọ-ozi-ya (Matiu 25:41). Nke a ka ọ bụ, otú a kwa ka ọchịchị nke Ekwensu n'elu ụwa siri gwụsịa.

**Ikpé nke Óké Oche-eze Ọcha ahụ**

Ngwa ngwa mgbe mkwatu ikpeazụ ahụ nke akwaturu Ekwensu na ndị agha ya gasịrị enwere mgbanwe n'ihe Onyeozi ahụ na-ahụ́, o wee hụ otù óké Oche-eze Ọcha nke Onye ná-anọkwasị ya bụ Onye ụwa na eluigwe gbapụrụ n'iru Ya! Oche-eze ọzọ ka Jọn hụkwara nke ọ kọwara ya nime Nkpughe 4, na-adaba n'oge Mwelikọ nke ndị nsọ ahụ. Oche-eze ahụ nwere eké-na-ogwurugwu n'elu ya igosi mmezu nke mkwà niile nke ọgbụgba-ndụ ahụ; enyeghị kwa nke a ihe nkọwa ọ bụla ma ọ bụghị ịdị elu na inwu ọcha nke ná-egosi ike na

ikpé dị ọcha. Banyere Oche-eze nke mbụ ahụ enwere ịbụ abụ̀ na inye Chineke na Nwa-atụrụ ahụ óké otuto, n'ihi na ọ bụ mmalite nke ọchịchị ahụ nke ga-ewetara ndị nsọ ahụ mkwụghachi nke ụgwọ-ọlụ. Ma n'ebe a enweghị abụ̀, ma ọ bụ olu nke ọñụ; n'ihi na ọ bụ ikpe ikpé ziri ezi nke ga-eduga ndị á na-azọpụtaghị ná mbibi ikpeazụ ha. Na nke mbụ, Onye ahụ nke ná-anọkwasị n'Oche-eze ahụ nwere oyiyi pụrụ iche -- onwunwu mpụta ìhè dị óké egwu nke yiri nkume jasper na sardine; n'ebe a enwere mpụta ìhè dị óké egwù nke Onye kachasị ihe niile elu nke ná-atụ kwa óké ụjọ nke mere ka ụwa na eluigwe niile gbapụ n'iru Ya. Ọnọdụ a dị egwù pụtara nnọọ na ọ dịghị olileanya ọ bụla dị nye ndị ahụ ikpé ahụ na-adakwasị ugbu a.

**Mbilite n'ọnwụ ahụ nke Ịba N'ikpe**

Enwere mbilite n'ọnwụ n'ebe a, ọpụpụ nke ike ebighi ebi bara nime osimiri; nime ili, nime hedis; ndị mmehie niile nwụrụ anwụ wee guzo na mberede n'iru Oche-eze ahụ. Ndị ukwu na ndị ntà, ndị ná-achị isi na ndị á na-achị achị, ndị mụrụ akwụkwọ na ndị ná-amụghị akwụkwọ -- ha niile nọ n'ebe a. Anyị agụtaghị ihe banyere ákwà ọcha, igu nkwụ, okpueze, ọ dịghị ihe ọ bụla kama ndị mmehie ka ha na-eguzo n'iru ịdị ukwu nke Onye ahụ pụrụ ime ihe niile ná-echere ịla n'iyi ebighị ebi ha. Ọtụtụ igwe mmadụ adịwo ndụ n'ụwa nke a wee nwụọ kwa, ma ndụ ha biri, omume niile ha mere, échìchè niile na akparama-agwa niile ha nweworo, ka na-eguzo ịbụ ihe edeworo n'akwụkwọ dị iche iche nke Chineke Onye pụrụ ime ihe niile. Ọ̀ bụ ihe ijuanya na óké igwe mmadụ niile a ga-anọ duu ná-ekwughị okwu ọ bụla mgbe ha na-eguzo n'iru Chineke?

**Akwụkwọ nke Ndụ ahụ**

Akwụkwọ ọzọ pụtara nke bụ Akwụkwọ nke Ndụ, akwụkwọ ndepụta aha nke ndị ahụ asachaworo n'Ọbara dị óké ọnụahịa nke Jisọs Kraist. Nke a dị mkpà ka emeghee ya, n'otù aka ahụ, n'ihi na ọtụtụ ka ha dị bụ́ ndị ndụ ha dị mma ma kwesị kwa ntụkwasịobi, ndị bịrị ndụ ma nwụọ kwa nime nkwesi ike na ha emezusiwo ihe niile nke dị mma, ma ọ dịghị mgbe ọ bụla ha nwere mmetụta ná mkpà ọ dị bụ́ mkpuchi mmehie nke sitere n'ihe ịjụrụ obi ahụ nke Onye Nzọpụta ahụ akpọgburu. Ọtụtụ dị ndị ndahie ha nke kachasị njọ ga-abụ mmehie nke nlefuru anya: ọ bụghị na ha abụworị ndị óké mmehie ma ọ bụ mee ihe jọkarịrị njọ, kama na ha lefuuru óké nzọpụta ahụ anya. Ọ bụrụ na ahụ́ghị aha onye ọ bụla n'akwụkwọ ahụ dị nsọ, ná-agbanyeghị otú o si bie ndụ ziri ezi na nke ikwesị ntụkwasị-obi, ọ dịghị inyeaka dịrị ya.

Iwu nke ikpé ahụ ka enyeworo; ekpebiwo kwa ikpé wee mezuo ihe ekpere n'ikpé ngwa ngwa. Onye ọ bụla nke anahụghị ka edererị aha ya n'akwụkwọ nke ndụ ahụ ewee tụba ya n'ọdọ ọkụ ahụ. Nke a ka akpọrọ "ọnwụ nke abụa" ahụ. Site n'okwu ahụ bụ́ "ọnwu" ụfọdụ nwere ike iche na ọ pụtara ngwụsị nke ịdị ndụ, ma ọ bụ ikpochapụ kpam kpam. Ma anụọhịa ahụ na onye amụma ụgha ahụ anọwo n'ọnwụ ahụ ihe karịrị otù puku arọ, n'ọgwụgwụ nke oge ahụ kwa ha ka nọ kwa rị ná-adị ndụ. N'amaokwu nke 10 anyị na-agụ. "Ebe anu-ọhia ahu na onye-amuma ugha ahụ nọ kwa, agēmekpa kwa ha aru ehihie na abali rue mgbe nile ebigh-ebi." Mak 9:47 na 48 na-atụ aka n'ịtụba ndị ajọomume "n'ọkụ ala mụọ: ebe ikpuru ha nādigh-anwu, ọku anyugh kwa anyu."

**Mmechi**

Ugbu a n'ịtụle eziokwu ndịa niile dị óké egwù gịnị ka apụrụ ikwu banyere ndị ahụ mataworo ma lezie kwa anya ná-aga n'iru n'ụzọ ndị ahụ ná-enweghị nlụpụta ọzọ ma ọ bụghị ọnwụ nke abụọ a? Jisọs sịrị, "Unu gēsi añа gbanarị ikpe nke ọku ala-mọ?" (Matiu 23:33). Òlee maka ndị ahụ bụ́ ndị reworo mkpụrụ-obi ha n'ihi àkụ̀ na ụba, ihe ụtọ, na ihe niile á na-ahụ́ anya nke ndụ a? Onye amụma ahụ kwuru: "Ala-mọ emewo ka ọchịchọ-nkpuru-obi-ya sa mbara, ọ saghebigawo kwa ọnụ-ya ókè: ima-nma Jerusaelm, na ìgwè-ya, na nkpọtu-ya, na onye nāñuri ọñu-agha n'etiti ya, gārida kwa nime ya" (Aisaia 5:14).

Ewo! Lee iruuju nke á na-apụghị ịkọwa bụ́ nke mkpụrụ-obi ọ bụla furu efu ga-enwe mgbe ọ na-arapụ Óké Oche-eze nke Ikpé ahụ ịbụ onye aga atụba nime ọdọ ọkụ ahụ mgbe niile ebighị ebi! Óké ihe mgbu ahụ ga-adịkarị ụfụ mgbe onye ọ bụla ga-echeta na ọ dị ụzọ mgbapụ nke arọpụtara site na Jisọs Kraist na ọlụ Mkpuchi mmehie ahụ Ọ lụrụ; ma onye ọ bụla ga-eleghachị anya azụ ibigharị ndụ ahụ ọzọ dịka n'oge ahụ ma ọ bụ oge ndị ahụ mgbe ọ jụrụ ebere enyere, ma ugbu a ebere agabigawo ruo mgbe niile ebighị ebi. Nye onye á na-azọpụtabeghị nke ná-agụ ihe ndịa, Okwu Chineke na-ekwu: "Le ugbu a bù oge anānara madu nke ọma; le ugbu a bu ubọchi nzọputa."

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Gịnị ga-eme Ekwensu n'ọgwụgwụ oge?
2. Kọwaa akụkụ dị iche iche nke Mbilite n'ọnwụ nke Mbụ ahụ.
3. Òlee ndị ọnwụ nke abụọ ahụ ná-enweghị ike n'ebe ha nọ?

4. Kọwaa otú Ekwensu ga-esi nwee ike inweta ọtụtụ ndị ga-eso ya mgbe ahụ atọpụrụ ya site n’olùlù abyss ahụ.
5. Kọwaa ihe niile nke mere n’Ikpé nke Óké Ocheeze Ọcha ahụ.
6. Òlee ọlụ Akwụkwọ nke Ndụ ahụ nwere n’ikpé a?
7. Gịnị bụ ihe pụtara site n’ikpé a?